Ọgwụgwụ Ụwa Ọ Dịla Nso? (Nkebi nke 2)

O si n'isi nke 9 n'akwụkwọ *Gịnị Ka Baịbụl Na-akụziri Anyị?* Ọ dịkwa na jw.org/ig.

IHE Ị GA-EJI AKWỤKWỌ A EME: Jiri ya chọpụta ihe ndị i kweere na ihe mere i ji kwere na ha. Jirikwa ya mata ihe Baịbụl na-akụzi na otú i nwere ike isi kọwaara ya ndị ọzọ.

È NWERE IHE ỌMA NDỊ BAỊBỤL KWURU GBASARA "OGE IKPEAZỤ"?—2 Timoti 3:1.

1 CHỌPỤTA IHE NDỊ I KWEERE

Gịnị mere ụfọdụ ndị nwere ike iji sị mba?

_____

_____

Gịnị mere ụfọdụ ndị nwere ike iji sị ee?

_____

Gịnị ka **gịnwa** kweere?

_____

Gịnị mere i ji kwere ihe a i kweere?

_____

www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

2 LEE IHE BAỊBỤL NA-AKỤZI

Okwu Chineke bụ́ Baịbụl kwuru ihe ọma ndị ga na-eme n’oge ikpeazụ.

(Gụọ isi nke 9 n’akwụkwọ *Baịbụl Na-akụziri Anyị*, paragraf nke 12-14.)

Gụọ Daniel 12:4.

Olee otú amaokwu a si gosi na ndị ohu Chineke ga na-aghọtakwu Baịbụl nke ọma n’oge ikpeazụ?

Gụọ Matiu 24:3, 14 na Mkpughe 7:9.

Olee ụzọ dị iche iche ozi ọma Ndịàmà Jehova na-ekwusa si emezu ihe e kwuru n’amaokwu ndị a?

Ụbọchị ikpeazụ gachaa, Jehova ga-emere anyị ọtụtụ ihe mmadụ ọ bụla na-agaghị emeli

www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

Oge ikpeazụ gachaa, ọtụtụ ihe ọma ga-eme.

(Gụọ isi nke 9 n'akwụkwọ *Baịbụl Na-akụziri Anyị,* paragraf nke 15-18.)

Gụọ 2 Ndị Tesalonaịka 1:6-9 na Mkpughe 21:3-5.

Gịnị mere nsogbu ndị anyị na-enwe n'oge a ga-eji bie kpamkpam ma oge ikpeazụ gachaa?

Gụọ Luk 21:34-36.

Olee uru ọ ga-abara anyị ma anyị 'mụrụ anya' n'oge ikpeazụ a?

N'ihe niile a e kwuru n'akwụkwọ a, olee nke kacha gbaa gị ume?

www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

3 OTÚ Ị GA-ESI AKỌWA IHE NDỊ I KWEERE

Ọ BỤRỤ NA MMADỤ ASỊ…

Ụmụ mmadụ ga-emecha jiri aka ha mebie ụwa a kpamkpam.

I NWERE IKE ỊSỊ ONYE AHỤ…

Ọ bụ eziokwu na o yiri ka ụmụ mmadụ hà ga-emebi ụwa a, ma m kweere na ha agaghị ebibi ya kpamkpam n'ihi na…

_____

_____

Olee amaokwu Baịbụl i nwere ike ịgụrụ onye ahụ?

_____

Ebe ọ bụ na ị matala ihe onye ahụ kweere, olee otú ị ga-esi jiri amaokwu Baịbụl ahụ nyere ya aka?

_____

Ọ BỤRỤ NA MMADỤ ASỊ…

Ọ bụrụ na ndị mmadụ anọgide na-eme nke ọma n'ihe gbasara sayensị, nkà na ụzụ, nakwa n'ọgwụ ahụ́ ike, anyị ga-emecha mee ka nsogbu ụwa a bie.

I NWERE IKE ỊSỊ ONYE AHỤ…

Ọ bụ eziokwu na e mepụtala ọtụtụ ihe bara uru n'ihe ndị ahụ, ma n'oge n'adịghị anya, Chineke ga-eme ihe mmadụ *ọ bụla* na-agaghị emeli. Dị ka ihe atụ,…

_____

Olee amaokwu Baịbụl i nwere ike ịgụrụ onye ahụ?

_____

Ebe ọ bụ na ị matala ihe onye ahụ kweere, olee otú ị ga-esi jiri amaokwu Baịbụl ahụ nyere ya aka?

_____

www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania